# N'ỤZỌ IJÉ EMEUS

## Luk 24:1-48

### IHEỎMỤ̀MỤ̀ 65 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "O si n'ọnwu bilie n'ubọchi nke atọ, dika ihe edeworo n'akwukwọ nsọ si di" (I Ndi Kọrint 15:4).**

**Ílì Ahụ Tọgbọrọ N'efu**

Kraist emeriwo ndịiro Ya niile . Ílì apụghị ijide Ọkpara Chineke dịnsọ. O kwuru na Ya gaesi n'ọnwụ bilie n'ụbọchị nke atọ; mgbe chi ụbọchị ahụ naabọ̀, ọ dịghị ike nke mmadụ -- nkume dị n'ọnụ ílì ahụ, ákàrà nke Ndị Rom, ndịagha náeche ílì ahụ nche -- nke pụrụ ijide Onyenzọpụta nke siri n'ọnwụ bilie. Ọ kwụwo ụgwọ mgbapụta anyị, O nwetawokwara anyị ndụ ebighiebi.

Ndị náesoụzọYa apụghị ikwere okwu ndịnyom ahụ ndị sịrị na ha hụrụ ílì ahụ ka ọ tọgbọrọ n'efu, na ha hụkwara ndị mmụọozi nke gwara ha na Kraist esiwo n'ọnwụ bilie. Ọ dị ka ha echéfuworị ihe niile Jisọs kwuru banyere isi n'ọnwụ Ya bilie ọzọ. Ha kwererị na Jisọs gaanapụta ha n'aka ọchịchị ndị Rom; ma ugbu a Ọ nwụwo, o wee náewuta ha nke ukwuu nke mere na ọ dịghị mgbe ha chere échìchè nkeọma banyere mbiliten'ọnwụ Ya.

Ndị odeakwụkwọ na ndị Farisii ekweghị na Jisọs, ma ha anụwo na Ọ sịrị na Ya gaesi n'ọnwụ bilie n'ụbọchị nke atọ ha chetakwara ya. Ha chọrọ ka emechie ílì ahụ nkeọma ka onye ọ bụla ghara ịbịa zuru arụ Ya n'ori wee sị na O siwo n'ọnwụ bilie. Ma ndị náesoụzọ Ya echéfuwo. Ọbụná mgbe ha hụrụ ílì ahụ tọgbọrọ n'efu, ha amataghị ihe mere.

**Adịghị Ngwangwa Ikwere**

Mgbe mmadụ abụọ nime ndị náesoụzọ Kraist naaga n'ụzọ Emeus n'anyasị nke ụbọchị mbụ n'izu ụbọchị asaa ahụ, ha chere na olileanya ikpèazụ̀ ha agwụwo. Otù "Onye ọbia" bịaruru ha nso wee náachọ ịmata ihe mere ha ji gbarụọ iru nke ukwuu. O juru ha anya na Ọ maghị ihe niile mere bụ́ nke kpaliri ndị niile bi na Jerusalem, ha wee kọọrọ Ya banyere ikpé náezighịezi nke ekpere Jisọs na mkpọgide n'obe Ya nke jọgburu onweya. Onye Ọbịa ahụ baara ha mbá n'ihi na ha adịghị ngwangwa n'obi ikwere ihe niile edeworo n'Akwụkwọnsọ banyere Kraist. Alaeze Ya abụghị nke ụwa nke a, ọ bụ kwa ihe dị mkpà na Ọ gaanwụ iji gbapụta mmadụ niile; ma Ọ gaesi n'ọnwụ bilie ọzọ. Emezuwo ihe ndị ahụ edere n'Akwụkwọnsọ, ma nghọta ha ka mechịrị emechi, ha amataghị kwa Nwoke ahụ Onye ha na Ya naeso náaga, nke náakọwara ha Okwụ ahụ. Mgbe ha bịaruru n'obodo ntà ahụ nke ha naeje, o wee dị ka Ọ naaga n'iru, ha rịọrọ Jisọs ka Ọ bata soro ha rie nri anyasị. O kweere; ma mgbe edozisịrị nri ahụ, O weere ọnọdụ n'isi oche ahụ wee gọzie nri ahụ ha naachọ iri. Mgbe ahụ, ndị náesoụzọ Ya matara Ya dịka Onyenweanyị -- O wee funarị n'anya

**Ịlaghachi Jerusalem**

Obi tọrọ ha ụtọ nke ukwuu na ha hụrụ na Jisọs dị ndụ ọzọ, nke mere na ha malitere ọsọsọ ịlaghachị Jerusalem. Ọ bụ ihe dịka "maịlị" asaa na nkera, bụrụ kwa n'anyasị, ha gaeji kwa ụkwụ gaa, ma ọ dịghị ihe pụrụ igbochi ha. Ha ahụwo Jisọs na Ọ dị ndụ!

Ha bịaruru n'ụlọ ahụ nke Ndịozi nọkọrọ n'otù, ma tupu ha gaenwe ohere ịkọ̀ akụkọ oziọma ha, agwara ha na Pita ahụwo kwa Jisọs. Ka ha ji obi ụtọ náakọ banyere óké ọlụebube a, Jisọs guzoro n'etiti ha. Ọ taghị ha ụtà, maọbụ chetara ha na ha gbanarịrị Ya n'ogige ahụ. Kama Ọ gọziri ha wee sị, "Udo diri unu." Ọ chọghị ka ha tụọ egwù, kama ikwere na Ya. O gosịrị ha aka na ụkwụ Ya, na akụ̀kụ̀ Ya nke onye agha ndị Rom ji mmaagha wee mápúo. Ha apụghị kwa inwe obi abụọ na ọ bụ Jisọs.

Ma òlee ụdị arụ O nwere? Ọ nwụwọrị, ha wee chee na O nwereike ịbụ mmụọ. Ma Jisọs jụrụ maka iheoriri, wee nọdụ ala soro ha rie nri. O nwere arụ ebube nke pụrụ isi ná mgbidi gabiga; ma Ọ bụghị mmụọ (Luk 24:39).

**Oziọma ahụ Nye Mmadụ Niile**

Iri ụbọchị anọ ka Jisọs gosịrị ndị náesoụzọ Ya Onweya, náeme ka obi sie ha ike, náenye kwa ha ndụmọdụ banyere mmalite nke Nzukọ ahụ. Ọ naejikere ịla n'Eluigwe, wee rapụ ha izisa Oziọma ahụ. O kwere mkwà na Ya gaezite Onyenkasiobi ahụ Onye ga agwa ha ihe ha gaekwu, nye kwa ha ike dị ukwuu na mkwuwaokwu dịnsọ n'iru ndị mmehie. Ha gaamalite ijéozi ha na Jerusalem, ma n'otù aka ahụ kwusaa kwa oziọma ahụ nye mba niile ọzọ. Nke a siiri ndị náesoụzọ Ya ike ịghọta, nke ka nkè Pita. Ha chere na nzọpụta dịịrị náání ndị Ju, ma Jisọs gwara ha na mmadụ niile pụrụ inwe nzọpụta ma ọ bụrụ na ha echègharịa wee kwere n'Ọbara Ya ahụ nke awụsịrị.

### AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee otú esi kachie ílì ahụ ákàrà? Òlee otú Jisọs ji si nime ya pụta?
2. Gịnị ka mmadụ abụọ ahụ náaga n'ụzọ Emeus naekwu banyere ya?
3. Gịnị ka Onyeọbịa ahụ kọọrọ ha banyere ihe edere n'Akwụkwọnsọ?
4. Òlee mgbe mmadụ abụọ ahụ ji mata Onyeọbịa ahụ?
5. Gịnị mere mgbe ha laghachiri na Jerusalem?
6. Òlee ndụmọdụ Jisọs nyere ndị náesoụzọ Ya?